# NLEBAANYA NA NKWUHIE DỊ NA MKPARỊTA ỤKA NDỊ ỌCHỊCHỊ NAỊJIRỊA AHỌỌRỌ

**Akaeze, Chioma M**. Ph.D chioma.akaeze@unn.edu.ng
***Ahamefula, Ndubuisi Ogbonna**, PhD ndubuisi.ahamefula@unn.edu.ng
**Ndubuisi, Eunice Chinwendu**. eunicechinwe27@gmail.com

Ngalaba lingwistiks, Igbo na Asusu Naijịria Ndịọzọ, Mahadum Naijiria, Nsuka.
***Odee nziga ozi** ndubuisi.ahamefula@unn.edu.ng

**Umi**

*Nchọcha a lebara anya na nkwujọ na nkwuhịe ndị ndọrọ ndọrọ ọchịchị, ndị ọchịchị na ndị ọrụ gọmenti Naijirịa n'okwu ọha. Mbunuche nchọcha a bụ inyocha okwu dị iche iche nke ndị ndọrọ ndọrọ ọchịchị na nke ndị ọrụ gọọmenti n'ọha. Ndị nchọcha jiri atụtụ nkwuhịe ọnụ nke Freud ma ọ bụ atụtụ paraprazis ma gbasoro usoro nkọwa kwọlitetiv nyọchaa nchọcha a. Nchọcha a nyọchara okwu iri na atọ nke ndị ndọrọ ndọrọ ọchịchị na ndị ọrụ gọmentị na Naijirịa. Nchọpụta e nwetara na nchọcha a gosiri na nkwujọ na nkwuhie na-esite n'ime ahụ ma na-adapụta mmadụ na-amaghị ama. Ndị nchọcha chọpụtara na nkwujọ na nkwuhie okwu na-adapụta mgbe mmadụ bu ihe ọzọ n'obi ma hụ onwe ya ikwupụta ihe ọzọ bụkwa nke a hụtara n'ebe ụfọdụ ndị ndọrọ ndọrọ ọchịchị na ndị ọrụ gọmentị nọ n'obodo Naijịrịa. Nchọcha a na-atụzi aka ka ndị ndọrọ ndọrọ ọchịchị na ndị ọrụ gọmentị bụrụ ndị ga-agbalị imata iwu dị n'ụtọ asụsụ nke asụsụ ha chọrọ iji mepụta okwu ma nwee mkpachapụ anya mgbe ọ bụla ha na-emepụta okwu n'ọha iji gbanahụ ma gbochie nkwujọ na nkwuhie.*

**Ọkpụrụkpụ Okwu**: asụsụ, mmepụta okwu, ndọrọ ndọrọ ọchịchị, nkwuhie, nkwujọ.

## 1.0 Mkpọlite

Ọmụmụ nke asụsụ na-eleba anya na nka anọ n'asụsụ ọ bụla bụ nke gụnyere okwukwu (speaking), ogige (listening) Odide (writing) na ọgụgụ (reading). Okwukwu bụ nka nke abụọ n'asụsụ. Di ka Field (2004) siri kọwaa, okwukwu bụ otu n'ime ọrụ siri ike nke na-esite n'ụbụrụnye ndị na-asụ asụsụ Bekee ka asụsụ nke abụọ ha. Okwukwu bụ otu n'ime ụzọ e si ezikọrịta ozi bụ nke mmadụ ji ezipụta mbunuche na echiche ya. Okwukwu dị ezigbo mkpa n'ihi na tupu mmadụ enwee ike imetalị ihe ọ bụla n'asụsụ ọzọ, ọ ga-enwe ike iji asụsụ ahụ mee ihe site na nkwupụta. Na mmụta asụsụ gara nke ọma bụ na mmadụ ga-enwe ike iji asụsụ dị otu a zikọrịta ozi. Iji mee ka mmadụ nwee ezi nzikọrịta ozị, ndị dị otu a ga-eso iwu dị n'asụsụ ahụ. Nke a pụtara na tupu a hụta mmadụ di ka onye dị mma n'asụsụ Bekee, onye dị otu a ga-abụ onye maara ụtọ asụsụ Bekee nke ọma, mara ọba okwu ya nke ọma, ma kpọpụtakwa okwu dị n'asụsụ a etu kwesịrị ekwesi. Naibaho, Aziz na Sembiring (2018) kwuru na na mmekọrịta mmadụ na ibe ya kwa ụbọchị, asụsụ na-arụ ọrụ dị mkpa iji mee ka mmadụ na ibe ya na-emekọrịta. Ma otu ọ dị, na nzikọrịta ozi, mmadụ oge ụfọdụ na-emehie ma ọ bụ kwuhie n'okwu na-amaghị ama. Mmehie ma ọ bụ nkwuhie ndi a ha na-eme na-amaghị ama ka a na-akpọ nkwujọ okwu. Nkwujọ okwu na-apụta ihe mgbe ahazigharịrị ụda ma ọ bụ mkpụrụ okwu n'etiti okwu abụọ ma ọ bụ karịa. Nkwujọ bụ mmehie na-amaghị ama nke na-esite n'ọnụ okwuu. Nkwujọ nke a na-aka ahụta n'okwu na-abụkarị nkwuhie okwu.

Ọ bụ ihe dị oke mkpa ileba anya n'asụsụ di ka otu ụzọ nke ndị ọchịchị si na emetụta ma na-achị ndị mmadụ. Asụsụ dị mkpa n'ihi na mmadụ pụrụ iji ikike dị na ya gbaa onwe ya ume iji tụgharịa uche ndị mmadụ n'ebe ọ nọ. Apakama (2006) hụtara asụsụ di ka otu ụzọ mmadụ ji emepụta ihe ndị dị ya n'uche ka ndị ọzọ nwee ike ịghọta ya. Ihe nke a pụtara bụ na nghọta dị oke mkpa na mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Ihe

mmadụ abụọ ma ọ bụ karịa na ekwu ha ji aghọta onwe ha bụ asụsụ. Tupu e nwee asụsụ, onye ọzọ ga-aghọtarịrị ihe a na-akọ.

Nkwupụta asụsụ ma ọ bụ mmepụta asụsụ bụ otu agwa nke a na-ahụta n'ebe mmadụ nọ. Mmadụ na-ekwu okwu iji zipụta mbunuche ya dị iche iche di ka ịjụ ajụjụ, ịrịọ arịrịọ na inweta amamihe. Na mmepụta asụsụ, okwuu na-ebido site n'iche na ha nwere ike inweta ebumnuche ha site n'ịhọrọ na ikwupụta ihe ha bụ n'uche. Nke a na-apụta ihe n'ụzọ abụọ, nke bụ nkwado na mmepụta. N'usoro nkwado di ka Agbedo (2009) siri kọwaa, okwuu na-ebu ụzọ kwadoo ihe ha chọrọ site n'igbado ụkwụ na etu ha chọrọ iji gbanwee ọnọdụ ndị na-ege ntị. Usoro nke nkwado na mmepụta asụsụ na-agbaso ụzọ ndịa; nkwado ụbụbọ, nkwado ahịrịokwu, nkwado okwu nsome na usoro mkpọpụta.

Na nkwado ụbụbọ, okwuu ga-akwado udi ụbụbọ ọ ga-abanye na ya. Nke a gụnyere okwuu ileba anya ma ụbụbọ ahụ ọ bụ nke akọmakọ, nke mkparịta ụka, inye iwu ka ọ bụ nke nkọwasị. Udi ụbụbọ ọ bụ ga-akọwa udi okwu ga-adaba n'ụbụbọ dị etu a. Okwuu ga-ahọrọkwa ahịrị okwu ndị ga-adaba nke ọma ij nweta mbunuche ya n'ụbụbọ dị etu a. Nkwado okwu nsome gụnyere ịhọrọ mkpụrụ okwu, nkebi okwu, ma ọ bụ akpaalaokwu ndị nke ga-adaba nke ọma ma ọ bụrụ na ahazie ha etu ha kwesịrị idị di ka ụtọ asụsụ nke asụsụ ahụ siri dị. Na nkwado mmepụta asụsụ, okwuu na-agba mbọ ka o gboo mkpa nke ihe ndị mejupụtara asụsụ nke ọ ga-eji bụ ndị nke nwere ike imetụta ndị na-ege ntị n'ụzọ kwesiri ekwesi. Okwuu na-egbo mkpa nke a site n'ileba anya n'amamihe nke ndị na-ege ntị, nkwenye ha, mmekọrịta ha na ngwa asụsụ ndị ga-enye aka n'imepụta asụsụ. N'ihi nke a, na nkwado mmepụta asụsụ, okwuu na-eleba anya n'ụzọ e nwere ike iji gboo mkpa na-adapụta n'ogo nke ahịrị okwu na okwu nsome.

Agbedo (2009) gara n'ihu kọwaa na ọ bụrụ na okwuu akwadochaa onwe ya n'okwu ọ chọrọ imepụta, ihe ọzọ na-eso ya bụ mmepụta ma ọ bụ nkwupụta asụsụ. Mmepụta asụsụ adịghị mfe dị ka e chere n'ihi na okwuu n'oge a ga-achọ ka o gboo mkpa ndịna-adapụta site n'usoro nkwado ruo n'usoro mmepụta na mbịakọta nke akụkụ ahụ dị iche iche na mmepụta ụda. Na mmepụta asụsụ, okwuu nwere ike sụwa nsụ, kwughariwa ihe o kwuburu na mbụ, bụ ndị ọ na-ekwutaghị etu o kwesiri na usoro ndị ọzọ ndị nwere ike ibute nkwujọ ma ọ bụ nkwuhie ọnụ n'ebe okwuu dị.

Agbedo (2009) kọwara nkwujọ di ka ikwujọ okwu na mmepụta nke okwu di ka a tụrụ anya. Ọ gara n'ihu kọwaa na mmepụta okwu di ka a tụrụ anya bụ mgbe okwuu maara ihe ọ chọrọ ikwu ma kwupụta ya n'enweghịntagheri ọnụ ọ bụla. Nkwujọ na-apụta ihe mgbe a na-ekwu okwu na-apụtakarị n'ụdi nkwụsị. Di ka Aitchison (1976) siri kọwaa, nkwusi a nwere ike ipụta ihe n'ọnọdụ abụọ. Ọnọdụ abụọ ndi a gụnyere mgbe okwuu kwụsitụrụ kpọm kpọm ole na ole oge ọ na-ekwupụta okwu tupu ya gaa n'ihu na ikwu okwu di ka "…er…um…" tupu o cheta okwu nke ọ chọrọ ikwupụta.

N'usoro nkwado nke mmepụta okwu, a na-enwe usoro mmepụta ụda nke na-enye aka ijide mkpụrụ okwu dum nke a chọrọ ikpọpụta n'usoro okwu. Usoro ikpeazụ na nkwado bụ mbiakọ nke akụkụ ahụ ndị na-enye aka na mmepụta okwu. Mbiakọ a na-enyere akwara mmepụta ụda aka n'ihe ha ga-eme na mgbe ha kwesịrị iji mee ya. Nke a na-ebute mmepụta okwu nke okwuu bu n'uche. Ma oge ụfọdụ, okwuu na-ahụta onwe ya ikwu ihe na-abụghị ihe o bu n'uche n'ihi oge ụfọdụ akwara mmepụta ụda anaghị eme ihe a chọrọ ka o mee bụ nke na-ebute ọnọdụ nkwujọ okwu ọzọ nke a na-akpọ nkwuhie okwu.

Nkwuhie okwu bụ nsogbu okwukwu okwu, na-eme na onye na-ekwu okwu ga-eburu okwu n'uche ma kwuhie ya site n'ikwupụta ihe ọzọ. Agbedo (2009) kọwara na nkwuhie okwu bụ nkwujọ na-eme mmadụ n'amaghị ama nke na-adapụ n'ihe okwuu bu n'uche. Ọ gara n'ihu ikwu na nkwuhie adọrọla echiche ọtụtụ ndị nchọcha di ka Freud (1975), Nooteboom (1969), Boomer, Donald na Laver (1968), Fromkin (1973) na Garrett (1975) bụ ndi nchọcha ha edubala n'ịchọpụta ọnọdụ nke usoro mmepụta ụda. Otu ihe doro anya bụ

na ire mmadụ dum na-ekwuhie otu oge ma ọ bụ ọzọ karichaa mgbe ike gwụrụ mmadụ, mgbe mmadụ ṅụrụ mmanya ma ọbụ mgbe ụjọ jidere mmadụ.

Nkwuhie okwu na-apụta ihe n'ọnọdụ dị iche iche ma nweekwa ike ibute nsogbu dịiche iche n'ebe okwuu nọ. O nwere ike ibute nsogbu di ka ịchụ mmadụ n'ọrụ, ibute ihe mberede nakwa ime ka mmadụ daa na ndọrọ ndọrọ ọchịchị. Nkwuhie nwekwara ike ibute nsogbu na mmekọrịta mmadụ na ibe ya. N'ihi nke a, adọrọla uche ọtụtụ ndị mmụta na sayensi asụsụ na ndi mmụta n'amụmamụ nsụnụbụrụ n'ebe nkwuhie okwu dị iji mara etu e nwere ike isi leba nsogbu di otu a anya.

Asụsụ nke ndị ndọrọ ndọrọ ọchịchị n'obodo Naijịrịa bụ nke nkwujọ na nkwuhie jupụtara. Di ka amụmamụ nke ndọrọ ndọrọ bụ nke ọtụtụ ihe na-ekwesighị ekwesị jupụtara, otu a kwa ka asụsụ ya dị. Ọtụtụ ndị ndọrọ ndọrọ ọchịchị n'obodo Naijịria chọrọ ka ahụta ha dị ka ndị dị ike nke ukwuu, bụkwa nke na-eduba ha ime mpụ na arụrụala dị iche iche. N'ihi nke a, ịchọ onwe onye juputara na ndọrọ ndọrọ ọchịchị emeela ka ha bụrụ ndị na-esi n'otu otu ndọrọ ndọrọ banye n'otu ọzọ kwa mgbe kwa mgbe.

N'obodo e nwere ọchịchị onye kwuo uche ya, ndi obodo nwere ikike ịtụnyere onye ọ bụla ha chọrọ vootu n'oge ndọrọ ndọrọ ọchịchị ma nke a na-adabere n'okwu nke onye ndọrọ ndọrọ,iji mee ka ndị ọzọ ghọta uru nke na-esi n'ọchịchị dị etu a pụta. N'okwu ndọrọ ndọrọ ọchịchị ọkacha n'oge nkwadobe ntuliaka elu n'ọchịchị, a na-eji asụsụ kwupụta mbunuche mmadụ etu ndị na-ege nti ga-anata ozi ahu ma kwenye n'ihe onye na-ekwu okwu na-ekwu. Di ka Beard (2000) siri kwuo, okwu ma ọ bụ asụsụ ndọrọ ndọrọ ọchịchị agaghị abụrịrị eziokwu, kama isi ihe ga-abụ etu onye na-ekwu okwu ga-esi kwuo ihe e nwere ike ikwenye ekwenye.

## 2.0 Ntụleghari Agụmagụ

N'ebe a, ọchọcha ga-atụleghari agụmagụ dị iche iche metụtara isiokwu nchọcha a. E kere ntụleghari agụmagụ a ụzọ anọ: ntụleghari atụtụ, ntụleghari ihe e derela n'isiokwu, nchịkọta ntụleghari agụmagụ na atụtụ nchọcha.

## 2.1 Ntụleghari Atụtụ

Atụtụ a gbasoro n'ọrụ nchọcha a gụnyere:

Atụtụ Paraprazis (parapraxis) nke onye tụpụtara ya bụ Sigmund Freud, n'afọ (1901). Atụtụ a bụkwa nke a maara dị ka atụtụ nkwuhie ọnụ nke Freud. Atụtụ a na-akọwa na ihe na-ebute nkwuhie ọnụ ma ọ bụ nkwujọ okwu na-esite na mmetụta nke ime mmụọ n'abụghị site n'asụsụ. Ọ kọwara na nke a bụ n'ihi ọnọdụ ime mmụọ nke mmadụ. Nke a pụtara na nkwujọ na-apụta ihe n'ihi mpụtara mmetụta nke echiche bụ nke na-adabere n'ihe okwuu chọrọ ikwu. Ihe mmadụ kwuru na-egosipụta ihe ọ na-eche n'obi ya n'oge ahụ. Atụtụ a gara n'ihu ịkọwa na nkwuhie bụ mmejọ nke ime mmụọ bụ nke na-egosi ma na-akọwa ihe mmadụ na-eche, mmetụta, nchọ na nkwenye onye dị otu a bụkwa nke na-egosi ime mmụọ nke mmadụ.

Atụtụ ọzọ bụ atụtụ (perceptual loop) nke Levelt tụpụtara n'afọ (1983). Nke a bụ atụtụ nke na-enyọcha okwu bụ nke kwenyere na ọnọdụ nghọta okwu na-enyocha ọdịdị nke okwu mmadụ. Usoro nnyocha okwu a na-enyocha okwu nke mmadụ mepụtara na nkwado nke ime bụkwa nke a na-akpọ (inner loop). Oge nke mmepụta okwu bụ otu n'ime ihe na-emetụta mgbochi nke nkwado oge na mmezi. N'iga n'ihu, Levelt (1995) kwenyere na a na-emepụta okwu site n'ụzọ dị iche iche di ka; nkwado nke ihe a chọrọ ikwu, nchikọta mkpụrụ okwu, nchịkọta ụda na mbiakọ akụkụ ahụ dị iche iche. Atụtụ a kọwara na di ka onye na-ekwu okwu ma ọ bụ okwuu, na onye di otu a na-anụ ihe ọ chọrọ ikwu bụ nke na-esonye n'okwu ndị okwuu nụrụ. Nke

a na-akọwa na mmadụ nwere ike ichọpụta nkwujọ ma ọ bụ nkwuhie n'okwu tupu a na-ekwupụta okwu di otu a.

Atụtụ ọzọ bụ atụtụ (Natural Phonology) nke onye tụpụtara ya bụ David Stampe n'afọ (1969). Atụtụ a na-ahụta mkpọpụta ụda nke asụsụ di ka ọnọdụ ụbụrụ nke amaghị ama bụnke na-anọchị n'etiti okwu a chọrọ ikwu nke a na-akpọpụtabeghi na mkpụrụ okwu ndị a na-akpọpụtala n'okwu. Atụtụ a na-eleba anya n'usoro mkpọpụta ụda bụ nke nwere ọnọdụ ọdịdịchi olu mmadụ na nramaahụ ndi a na-enweta na mmepụta okwu. Atụtụ a na-akọwapụta ụzọ ihe abụọ dị mkpa, nke bụ na fonim ma ọ bụ mkpụrụụda bụ onyoonyo nke ụda ndị e nwere n'asụsụ dị n'uche mmadụ. Nke ọzọ bụ nzaghachi nke mmadụ nye nramaahụ ndị a na-ahụta na mmepụta ụda na-esite n'iji otu uda dochie anya ụda ọzọ. Atụtụ a kwenyere na ndị na-amụ asụsụ nke abụọ na-eji mkpụrụ ụda ndị dị mfe dochie anya mkpụrụ ụda ndị a na-enweghi n'asụsụ epum ha ma were ha dị ka ha bụ otu ụda. (Mayuuf na Al-hindawi, 2017).

Atụtụ ọzọ bụ atụtụ nke mmekọrịta nke a kpọrọ atụtụ (spreading-activation). Onye tụpụtara atụtụ a bụ Dell (1986). Atụtụ a gbakwasara ụkwụ n'iwu njikọta ma na-akowa naana-enweta nnọchite anya ihe n'ogo ọ bụla. Atụtụ a kwenyere na mkpụrụ okwu na-arụ ọrụ dị iche iche n'oge mkpalite ha. Mgbe akpalitere otu mkpụrụ okwu, mkpalite a na-agbasa site na mkpụrụ okwu a ruo na mkpụrụ okwu ndị ọzọ yiri ya. mmepụta n'oge nkwado mkpọpụta okwu na-apụta ihe n'ogo niile ma bụrụkwa nke na-emetụta ibe ya. A na-enwe ọba okwu nke na-arụ ọrụ na mmepụta ebe iwu ntinye na-ahọrọ mkpụrụ okwu ndị a na-emepụta. Di ka atụtụ a si kọwaa, nkwujọokwu na-apụta ihe n'ihi na oge ụfọdụ, a na-enwe mkpalite nke mkpụrụ okwu na-adabaghị karịa mkpụrụ okwu nke dabara. Nkwenye na a na-akpalite ọtụtụ mkpụrụ okwu n'otu oge na-eme ka a na-enwe nkwujọ na nkwuhie n'oge niile. A na-ahụta nkwujọna nkwuhie mgbe okwu e mepụtara bụ nke na-adabaghị yiri nke ekwesiri imepụta n'ụda nakwa n'echiche. Atụtụ a na-akọwa na ụda na echiche nwere ike imetụta nhọrọ okwu n'otu oge. Site n'atụtụ a, mkpalite okwu na-esite n'ogo ahiriokwu rute ogo mkpụrụ asụsụ na ogo mkpụrụ ụdaasụsụ n'ogo ọ bụla. Mkpụrụ okwu nke kacha nwee mkpalite bụ nke a na-ahụta na mmepụta okwu.

**2.2 Nchọcha e meren'isiokwu na ndịọzọ yiri ha**

E nweela ụfọdụ nchọcha e mere bụ nke metụtara nkwujọ na nkwuhie ọkachasi nye ndị ọrụ gọmenti ma ọ bụ ndị ọchịchị n'okwu ọha. Ọrụ nchọcha ọchọcha tulegharịrị bụ ndi a:

Naibaho, Aziz na Sembiring (2018) mere nchọcha n'isiokwu, "nkwuhie ọnụ nke ụmụ akwụkwọ na-amụ asụsụ Bekee". Mbunuche nchọcha ha bụ ịchọpụta udi nkwuhie ọnụ nke ụmụ akwụkwọ mahadum Bengkulu na-eme na ngosipụta nke Semina ha na ịchọpụta udi nkwuhie ọnụ nke na-akacha apụta n'ebe ụmụakwụkwọ ndị a nọ. Ndi ha ji mee nchọcha bụ ụmụ akwụkwọ ise na ngalaba ha bụ ndi mere ihe ngụpụta nke semina ha. Ngwa nchọcha nke e ji mee nchọcha a bụ ndị odee n'onwe ha. Ha nwetara njiatule site n'usoro ndetu ma nyochaa njiatụle ha site n'usoro kwọlitetiv and kwọntitetiv. Nchọpụta nke nchọcha a gosiri na e were njiatule iri isii site na semina ụmụ akwụkwọ ma n'ime njiatụle ndi a, a chọpụtara udi nkwuhie isii n'ime udi asatọ nke e nwere. N'ime udi nkwuhie niile a chọpụtara, ndị nchọcha chọpụtara na iji okwu dochie anya okwu ọzọ bụ udi nkwuhie kara pụta ihe n'ebe ụmụ akwụkwọ nọ.

Pepito (2019) mere nchọcha n'isiokwu, "nkwujọ ndị a na-enwetakarị n'asụsụ nke abụọ: nkewa, nnyocha na mmetụta ha". Mbunuche nchọcha a bụ ịchọpụta kewaa ma nyochaa nkwujọ iri abụọ bụ ndị na-asụ asụsụ Bekee di ka asụsụ nke abụọ n'ọnọdụ dị iche iche na mkparịtaụka. Nchọcha a lebakwara anya na mmetụta ya na nkuzi nke asụsụ Bekee. Nchọcha a gbasoro usoro nkọwa kwọlitetiv site n'inyocha okwu. Na nchọcha a, enwetara ma nyochaa njiatụle n'otu oge bụ nke ọchọcha mere n'otu ọnwa. Nchọcha a chọpụtara na nkwujọ a chọpụtara bụ nke e kewara ụzọ asaa. Njiatule gosiri na iwere okwu dochie anya

okwu ọzọ bụ udi nkwujọ nke na-aka apụta ihe karịa ụdị ndị ọzọ. Ọtụtụ nkwujọ na-esitekwa n’ụda apụta. Nke a pụtara n’ọtụtụ nkwujọ ndị e nwetara na nchọcha a sitere na mmepụta nke mkpụrụụda bụ ndi nke yiri ụda nke ebu n’uche. Ọchọcha tụziri aka na nchọcha a ka ndị nkuzi asụsụ Bekee na-agba mbọ iwebata ihe ọmụmụ ga-enyere ụmụ akwụkwọ aka n’isụ asụsụ Bekee nke ọma ma mepụta okwu nke dị mma. Ọ tụzikwara aka na ndị nkuzi kwesịrị ị na-eme nchọcha ụzọ ha nwere ike iji duzie nkwujọ ụmụ akwụkwọ iji gbochie nsogbu a.

Ismail, Detrianto na Rohmah (2020) mere nchọcha n’isiokwu, “nkwuhie ọnụ na ngụpụta nke ụmụ akwụkwọ na-agụ akwụkwọ na mba ọzọ: ihe mgbagide ụkwụ nke ọgbakọ ụmụ akwụkwọ na-agụ akwụkwọ na mba ọzọ”. Nchọcha a kọwara na e nwere ike ihụta nkwuhie ọnụ na ngụpụta nke ụmụ akwụkwọ na-agụ akwụkwọ na mba ọzọ bụ nke a hụtara n’ọgbakọ ha mere. E ji mmadụ atọ bụ ndị a họtara na mba dị iche iche mee nchọcha a iji mata nyochaa ma chọpụta udi nkwuhie ọnụ nke a na-ahụta ebe ụmụ akwụkwọ na-agụ akwụkwọ na mba ọzọ nọ; ihe ndị nwere ike ibute nkwuhie ọnụ ndi a na ụzọ ndị e nwere ike iji gbanahụ ya. Ndị ọchọcha gbasoro usoro nkọwa kwọlitetiv iji mee nchọcha n’ụzọ nsụnụbụrụ. Nchọpụta nke e nwetara na nchọcha a gosiri na a hụtara anọ n’ime udi nkwuhie ọnụ asatọ nke a chọpụtara n’ọgbakọ ahụ nke ụmụ akwụkwọ na-agụ akwụkwọ na mba ọzọ mere. Udi nkwuhie ọnụ nke a na-akacha ahụta bụ iji okwu ọzọ dochie okwu ọzọ. ihe nwere ike ibute nkwuhie ọnụ n’ebe okwuu di bụ nramaahụ nke ime mmụọ, ụjọ nke ọnọdụ na gburugburu. Nchọcha a lebakwara anya n’ụzọ ndị na-ekwu okwu ji na-agbaso iji gbanahụ nkwuhie ọnụ mgbe ha na-ekwu okwu. Ndị ọchọcha jiri atụtụ ụma okwu Fromkin (1973) na atụtụ ụma okwu Clark (1977) tụchaa isiokwu nchọcha a.

Alderete (2020) mere nchọcha n’isiokwu “nkwujọ okwu na usoro mkpọpụta ụda: nnyocha nke nsụnụburụ na atụtụ sayensi asụsụ”. Mbunuche nchọcha a bụ inyocha mmetụta mkpọpụta ụda na nkwujọ okwu na ọrụ sayensi asụsụ na-arụ nye nkeji okwu na ụdaolu. Na nchọcha a, ọchọcha chọpụtara na nchịkọta nke nkwujọ okwu, a na-enweta usoro akpọmụda. Nkwujọ okwu bụ nke nnọchi ndokọ mkpụrụda nke na-abịa oge niile na ngosi akpọmụụda nke ntofe ụda na amụmamụ ụda nge. Na nchọcha a, ntụleghari atụtụ ya kwadoro atụtụ nke gụnyere usoro mmepụta okwu na ngosi mmepụta nke ụda site n’atụtụ akpọmụda.

Sitorus (2021) mere nchọcha n’isiokwu, “nkwujọ ụmụ akwụkwọ na mmepụta okwu na mmekọrịta ha na klaasi”. Mbunuche nchọcha a bụ inyocha nkwujọ nke ụmụ akwụkwọ na mmepụta okwu, iji mara udi nkwujọ na nkwụjọ ndi nke kara pụta ihe na mmekọrịta nke ụmụ akwụkwọ nọ na ngalaba asụsụ Bekee na simesta nke mbụ ha. Usoro ọchọcha gbasoro mee nchọcha a bụ usoro nkọwa kwọlitetiv ebe o jiri ụmụ akwụkwọ iri atọ nke o nwetara site na tụmbọm tụmbọm mee nchọcha ya. Ọchọcha nwetara njiatụle ya site na nlereanya, teepụ rekọda na ịgba ajụjụ ọnụ. E jiri atụtụ nke Clark na Clark tụchaa nchocha a. Nchọpụta nke nchọcha a gosiri na e nwere nkwujọ ụmụakwụkwọ isii na mmepụta okwu nke gụnyere; nkwụsi na-etinyeghi ihe, nkwusi nke e tinyere ihe, nkwugharị, ịlaghachi azụ, nkwuzi ihe ekwuteghi na nkwuhie ọnụ. Nkwujọ ndi nke kara pụta ihe bụ nkwụsi na-etinyeghị ihe. Ọchọcha gara n’ihu ịchọpụta na ihe ndị nwere ike ịkpata nkwujọ na-esite n’ime mmụọ, mmekọrịta na mmetụta. N’agbanyeghị nke a, ọchọcha chọpụtakwara na nkwujọ ụmụ akwụkwọ bụnke e nwere ike inweta n’ụtọ asụsụ na mkpọpụta ebe mmafe asụsụ, ntụgharị, elezighi anya na asụsụ epum nwekwara ike ibute nkwujọ.

Hussain, Zahid na Ilyas (2021) mere nchọcha n’isiokwu “nkwuhie onu na nkụpụta ederede nke ndị ọchịchị na n’akwụkwọ nduzi nke Pakistan”. Mbunuche nchọcha ha bụ inyocha ọtụtụ nkwuhie ọnụ nakwa nke na-apụta ihe na nkụpụta ederede n’ebe ndị ọchịchị Pakistan nọ. Ha lebara anya n’atụtụ ọrụ Fromkin (1973) na Mackay (1993) iji were sekasia ma nyochaa njiatụle ha. Nchọpụta ha gosiri na iji ihe nọchie anya na-aka apụta ihe karia udi nkwuhie ọnụ ndị ọzọ. Nchọcha a gakwara n’ihu ịchọpụta na transpozishọnụ di ka udi ndehie na nkụpụta ederede na-aka apụta ihe karia udi ndị ọzọ. Ndị ọchọcha nyere ntuziaka ka ndị

ọzọ ga-eme nchọcha lebakwuo anya na nkwuhie ọnụ bụ nke e nwere ike inweta n'ọnọdụ dị iche iche di ka n'ihe nlere vidio nakwa na mkparita ụka kwa ụbọchi. Ha tụzikwara aka ka e nyọchakwuo ọnọdụ a site n'igbanwe atụtụ a nke e jiri rụọ ọrụ na nchọcha a.

## 2.3 Atụtụ Nchọcha

Atụtụ niile e nyochara n'ọrụ nchọcha a dị mma ma baa uru, ma ọchọcha họọrọ atụtụ nkwuhie ọnụ nke Freud (1901) bụkwa nke a na-akpọ atụtụ paraprazis iji zipụta mbunuche nchọcha a. Atụtụ a dabara iji tulee nchọcha a n'ihi na nkwujọ na nkwuhie na-esite n'ime ahụ apụta bụkwa nke na-adapụta mmadụ na-amaghị ama. Atụtụ a na-akọwapụta na ihe mmadụ na-ekwu na-esite n'ihe onye dị etu a na-eche n'obi ya. Ọ gara n'ihu kọwaa nkwuhie di ka mmadụ ịchọ ikwu ihe ọzọ ma hụta onwe ya ebe ọ na-ekwu ihe ọzọ dị iche n'ihe ọchọburu ikwu. Atụtụ a kọwara na ihe ndị nwere ike ibute nkwujọ ma ọ bụ nkwuhie bụ mgbe mmadụ megharịrị onye ọzọ anya, agwa, emereme, ichu ura ma ọ bụ ileba anya n'echiche onye ọzọ. Ọ bụ inyocha ihe ndi a di ka o si metụta nkwujọ na nkwuhie ndi ndọrọ ndọrọ ọchịchị na ndị ọrụ gọmenti nke obodo Naijịria n'okwu ọha ka atụtụ a ji daba n'orụ nchọcha a, n'ihi na ọ ga-enye aka inyocha ihe ndi a.

## 2.4 Nchịkọta Ntụlegharị Agụmagụ

Nchọcha a lebara anya ma tụlegharịa atụtụ na ọrụ nchọcha ndị ọchọcha ọzọ. Ọrụ nchọcha ndi a ọchọcha tụlegharịrị metụtara isiokwu nke a na-eme nchọcha na ya site n'otu ụzọ ma ọ bụ nke ọzọ. Ntụlegharị agụmagụ na nchọcha a ewetala nghọta na nkwujọ na nkwuhie okwu na-apụta ihe n'okwu mmadụ na-ekwu n'ọha. Ọrụ nchọcha ndi a lebara anya n'ụdị nkwujọ dị iche iche nke nkwuhie bụ otu udi nke na-apụtakarị ihe n'ebe ndị mmadụ nọ karịa udi nkwuhie ndị ọzọ.

Na nchọcha nke Naibaho, Aziz na Sembiring (2018) mere, mbunuche nchọcha ha bụịchọpụta udi nkwuhie ọnụ nke ụmụ akwụkwọ mahadum na-eme na ngosipụta mahadum. Ọ bụ ezie na ha mere nchọcha banyere nkwuhie bụ nke bụ na ha ji ụmụ akwụkwọ na-amụ asụsụ Bekee na mahadum mee nchọcha ha ebe ọchọcha nke a ji ndị ndọrọ ndọrọọchịchị na ndịọchịchị gọọmentị Niajiria mee nchọcha nke ya.

Nchọcha nke Pepito (2019) na nchọcha nke a yiri n'udi na ndị nchọcha abụọ ndị a lebara anya na nkwujọ ebe ọ bụ kwa na njiatule ndịọchọcha nke a nwetara bụ nkwujọ nke ndịọchọcha mere n'asụsụ nke abụọ nke bụ asụsụ Bekee. Ndiiche dị n'etiti nchọcha abụọ ndị a bụna Pepito ejighị ndịọchịchị mee nchọpụta ya ebe ọchọcha a ji ndị ndọrọ ndọrọọchịchị na ndịọchịchị n'ọrụ gọọmentị mee nchọcha ya.

N'otu aka ahụ, n'ọrụ nchọcha nke Ismail, detrain na Rohmah (2020), ebe mgbagide ụkwụ ha n'ọrụ nchọcha ha mere na nkwuhie ọnụ bụ n'ụmụ akwụkwọ na-aga akwụkwọ na mba ọzọ ebe ọ dịghị otu a n'ọrụ nchọcha nke a, nke ebe mgbagide ụkwụọchọcha bụ na ndị ndọrọ ndọrọọchịchị na ndịọrụ gọọmentị n'agbanyeghị na ọrụ nchọcha abụọ ndị a lebachara anya na nkwuhie ọnụ. N'ọrụ Alderete (2020), o lebara anya na nkwujọ okwu n'usosro mkpọpụta uda ebe ọrụ nchọcha nke a lebara anya na nkwujọ n'usoro okwu nke ndịọchịchị.

N'agbanyeghị na ọrụ nchọcha ndi a dum elebara anya na ntụlegharị agụmagụ metụtara isiokwu nchọcha a nke bụ nkwujọ na nkwuhie n'okwu ọha, ọchọcha chọpụtara na o nweghị ọrụ nchọcha nke lebara anya na nkwujọ na nkwuhie ndị ndọrọ ndọrọ ọchịchị na ndi ọrụ gọmentị nke Naijịria n'okwu ọha, ebe ọ na-enwekwaghị nke n'ime ha na oru nchọcha nke a jiri otu udị atụtụ rụọọru. Ntụlegharị nke isiokwu ndị a nyekwara aka ịmatakwu ihe banyere isiokwu nchọcha a.

## 3.0 USORO NCHỌCHA

Ngalaba nchọcha a na-eleba anya n'usoro ọchọcha gbasoro iji kọwaa ma nyochaa isiokwu nchọcha a. Nchọcha a gbasoro usoro nkọwa kwọlitetiv site n'iji nsere. Ọchọcha nyochara nkwujọ na nkwuhie nke ndị ndọrọ ndọrọ ọchịchị na ndị ọrụ gọọmentị nke Naijịria nọ n'okwu ọha. Usoro nchọcha a ka ọchọcha gbasoro iji kọwaa ma nyochaa njiatụle ndị o nwetara. Ọchọcha nwetara njiatụle o jiri mee nchọcha a site n'inyocha nkwujọna nkwuhie iri na atọ nke ọ chọpụtara n'okwu ndị ndọrọndọrọ ọchịchị n'ọha bụ nke o nwetere site n'ịntaneetị. Ọchọcha jikwa atụtụ nkwuhie ọnụ nke Freud ma ọ bụ atụtụ Paraprazis tụchaa njiatụle ya.

## 4.0 NSEKASI NJIATỤLE

Ngalaba a na-eleba anya na nsekasi na nnyocha njiatụle bụ nke e nwetara n'ọrụ nchọcha a nke bụ; Nkwujọ na nkwuhie ndị ndọrọ ndọrọ ọchịchị, ndị ọchịchị na ndị ọrụ gọmentị Naijịria n'okwu ọha. Ọchọcha ga-atụcha njiatụle site n'inyocha ụfọdụ okwu ndị metụtara nkwujọ na nkwuhie ụfọdụ ndi ndọrọ ndọrọ ọchịchị nke Naijịria n'okwu ọha.

Ụfọdụ okwu mmadụ na-ekwu na-apụta ihe di iche iche di ka mbunuche okwuu si dị. Mpụtara na echiche okwu na-adị n'ime asụsụ. ka anyị leba anya n'ụfọdụ okwu ndị a bụ ndị e ji mee njiatụle nchọcha a:

**Nke mbu: "Bala Blu, Blu, Bulalaba"**

Okwu a nke di n'elu bụ nke onye ji otu APC na-azọ ọchịchị onyeisi ala onye nke bụụrụ gọvanọ steeti Legoosi bụ Bola Ahmed Tinubu kwuru ụbọchị Tọọsde, abali iri na asaa n'ọnwa Nọvemba n'afọ 2022, mgbe ọ na-agwa ndị nkwado ya okwu na Steeti Imo.

Nnyocha:

Okwu a bụ "Bala Blu, Blu, Bulalaba" bụ nkwujọ nke sitere n'aka Bola Tinubu mgbe ọ na-achọ etu o ga-esi akpọpụta okwu a bụ "hullabaloo".

**Nke abụọ: "vote for A…PDP"**

Okwu nke a sitere n'ọnụ onye ji otu PDP azọ ọchịchị onyeisi ala onye nke bụụrụ osote onyeisi ala Naijịria nke bụ Atiku Abụbaka, mgbe ọ na-ekwu okwu na Jos nke Steeti Plateau.

Nnyocha

"Vote for A…PDP" bụ nkwuhie nke sitere n'aka Atiku Abubaka n'oge ngagharị ndọrọ ndọrọọchịchị (political rally) nke ọ gara bụ ebe o ji asụsụ Awusa gwa ndị mmadụ okwu. O bu n'obi ịgwa ha ka ha tụnyere otu PDP, ma ọmaghị mgbe o ji bido na "A". Mgbe ọ matara onwe ya, ọ laghachịrị azụ bidokwa na "PDP".

**Nke atọ: "Nasarawa is big… It is a great country".**

Nke a sitere n'ọnụ otu onye ọzọ bụ nke ji otu 'LP'azọ ọchịchị onye isi ala Naijịria onye bubuuru gọvanọ steeti Anambara nke bụ Peter Obi kwuru n'ụbọchị Tọsde, abali iri na atọ n'ọnwa iri n'afọ 2022.

Nnyocha:

Okwu a bụ "Nasarawa is big… It is a great country", bụ nkwujọ n'ihi na Nasarawa abụghị (country) di ka okwuu kpọpụtara ya kama ọ bụ otu n'ime steeti ndi e nwere na Naijịria.

**Nke Anọ: “God bless PD… APC”**

Nke a sitere n’ọnụ Bola Ahmed Tinubu bụ nke jikwa aha APC azọ ọchịchị onyeisi ala Naijịria. N’abali iri na ise n’ọnwa iri na otu n’afọ 2022, nke a dapụrụ ya n’ọnụ n’’obodo Jos nke dị na steeti plateau oge ọ na-ekpere otu ya bụ APC ekpere maka oge nkwado ndọrọ ndọrọ ọchịchị.

Nnyocha:

Okwu nke a bụ nkwuhie, n’ihi na okwuu chọrọ ikpere otu ya bụ APC ekpere agamnihu n’ihe chere ha n’ihu nke bụ ndọrọ ndọrọ ọchịchị ma ọmaghị mgbe aha otu (party) ọzọ jiri dapụta ya n’ọnụ na mbụ nke ọ ghọtara onwe ya ozugbo ma kpọpụtakwa aha otu nke ya.

**Nke ise: “El Rufai turned a rotten situation into a bad one”.**

N’abali iri na ise n’ọnwa iri n’afọ 2022, onye jikwa aha otu APC azọ ọchịchị onyeisi ala nke bụ Bola Tinubu kwuru nkea na Kaduna mgbe ha gara (Kaduna Economic and Investment Summit (KAD Invested).

Nnyocha:

Nke a bụ nkwujọ nke si n’ọnụ Bola Tinubu n’ihi na ihe o bu n’obi ikwu abụghị mpụtara ihe o kwuru. Ọ chọrọ ikwu na onye ahụ ọ na-ekwu maka ya (El Rufai) nke bụ gọvanọ Steeti Kaduna maara etu e si ahazi ọnọdụ n’adighi mma. O gosipụtara nke a, n’ihi na ọ gara n’ihu kwuo nke a: “some people need to understand idioms. When I said he turned a rotten situation into a bad one, it is an achievement”.

**Nke isii: “Prevent church rat from eating poisoned Holy Communion”.**

N’abali iri na asaa n’ọnwa iri n’afo 2022, onye ji aha otu APC azọ ọchịchị onyeisi ala bụ Bola Tinubu kwujọkwara okwu ọzọ mgbe ha na-eme ọgbakọ ndị ọnụ na-eru n’okwu obodo na steeti Kaduna.

Nnyocha:

Nke a bụ nkwujọ sitere n’onụ okwuu mgbe ọ chọrọ iza ajụjụ nke mmadụ jụrụ banyere mgbanwe ihu eluigwe. N’aziza ya, ọ kwuru na “climate change is a question of how do you prevent a church rat from eating a poisoned holy communion?” Nke a bụ nkwujọ n’ihi na aziza ya adabaghị n’ihe a jụrụ nke pụtara n’ihe o bu n’uche adabaghị n’ihe o kwupụtara.

**Nke asaa: “Do you know how many of you are tweeting on whatsapp right now”.**

Nke a sitere n’ọnụ Bola Ahmed Tinubu n’ọnwa anọn’afọ 2022 mgbe o kwuru na ndị ji usoro nzikọrịtaozi ọhụụ nke a kpọrọ (social media) ezirita ozi na-eme (tweeting n’whatsapp).

Nnyocha:

Okwu nke a bụ nkwujọ n’ihi na di ka e si ekwu ya, ndịna-eme (whatsapp) adighị eme (tweeting) kama ọbụ ndị na-eme (Twitter). Nke a gosiri na okwuu amaghị ma ọ bụ ọ ghọtaghi ihe ọ chọrọ ikwu.

**Nke asatọ: “… Ovie Omo – Agege would be the next governor of Niger Delta”.**

N’abali iri abụọ na ise n’ọnwa iri na otu, n’afọ 2022 ka onye ji aha otu APC azọ ọchịchị onyeisi ala Naijịria bụ Bola Tinubu mere nkwuhie n’obodo Oporoza, Gbaramatụ nke dị na Steeti Delta oge ọ na-eme ngagharị maka nkwado ntuli aka ịtụ vootu.

Nnyocha:

Nke a bụ nkwuhie n'ihi na enweghi steeti 'Niger Delta' n'obodo Naijịria kama ihe e nwere bụ steeti Delta.

**Nke Itolu:**

Nkwuhie ọzọ pụtara ihe n'okwu ọzọ nke Bola Tinubu kwuru mgbe ha gara ngaghari ndi otu (party) ha gara na Jos nke nọ na steeti plateau mgbe ọ chọrọ ịkpọ gọvanọ steeti ahụ nke aha ya bụ "Solomon Lalong", mgbe o kwuhiere ọnụ ma kpọọ ya "Solomon Dalong". Ma na Steeti ahụ, e nwere onye ọzọ nke na-aza aha ahụ nke ọ kpọrọ nke bubuuru minister na-ahụ maka ndi ntorọbịa na otuto egwuregwu na steeti ahu.

**Nke iri:**

Bola Ahmed Tinubu mekwara nkwuhie n'abali iri abụọ na isii, n'ọnwa iri na otu, n'afọ 2022 mgbe ọna-agwa ndi nkwado ya okwu na steeti Legoosi bụ ebe ọ chọrọ ikwu maka "PVC" ma kwuhie ọnụ kpọọ ya "APV".

**Nke Iri na otu:**

"… The one that we are going to make use of is … is going to be made known by … by my ọga at the top, yes, …"

Nke a bụ nkwujọnke si n'ọnụ Maazi Shem Obafaiye Sunday otu onye ọrụ nke ọkwa ya gbalitere n'ọrụ NSCDC (Nigerian security and Civil Defence Corp) bụ mere nke ihe ngosi n'ajụjụ ọnụ nke ndị ọrụ (Channels Television) gbara ya n'abali iri na ise, n'ọnwa atọ, n'afọ 2013.

Nnyocha

Nkwujọ nke a dapụtara n'ajụjụ ọnụ a gbara okwuu gbasara akara webusaiti nke ndị ọrụ nke a jụrụ ya, ma n'ihi ọmaghị ya, o buteere ya nkwujọ na ihe ihere nye ụlọọrụ ha.

**Nke iri na abụọ**

Nwunye onye bubuuru onyeisi ala Naijịria bu Odoziaku Patience Jonathan mere ọtụtụ nkwujọ oge di ya bụụrụ onyeisi ala. Ụfọdụ n'ime nkwujọ ndị a gụnyere:

a) "My husband and Sambo is a good people"
b) "The president was once a child and the senators were once a children"
c) "My fellow widows"
d) "The bombers who born them? Wasn't it not a woman? They were once a children now a adult, now they are bombing women and children making some children a widow".
e) "We should have love for our fellow Nigerians, irrespective of their nationality".
f) "I would rather kill myself instead of committing suicide".
g) "Ojukwu is a great man, he died but his manhood lives one".
h) "Why will book haram bomb last churches on Christmas day, they don't have respect for Jesus, they are a very bad person, infact I'm a sadder woman right now and Mr. President is more saddest".

Nnyocha:

Ọmụma atụ ahịrị okwu ndi a nọ n'elu site na (a) ruo na (h) bụ nkwujọ nke sitere n'ọnụ okwuu n'ihi na ahịrị okwu ndị a niile adabaghị n'echiche n'asụsụ Bekee bụ nke e jiri mepụta ahịrị okwu ndi a.

**Nke iri na atọ**

Inspectọ Jeneralụ nke ndị uwe ojii n'oge gara aga nke aha ya bụ Ibrahim Idris mere nkwujọ okwu a oge ọ na-achọ ịgụpụta edemede n'otu mmemme nke ọ gara

> "I mean, transmission, I mean effort, that the transmission cooperation to transmission, I mean transmission to have effect, ehm apprehend, I mean, apprehensive towards the recommendation, recommended formation effective and effect, I mean, apprehensive at the transmission of… and transmission and transmission for the effective in the police command".

Nnyocha:

Nkwujọ nke a pụtara ihe n'okwu onye ọkwa ya gbalitere n'ọrụ ụwe ojii obodo Naijịria nke bụ Ibrahim Idris ebe ọna-agba mbọigupụta edemede ya n'otu mmemme ọ gara, mana o kwujọrọ ya ekwujọ ebe ihe a na-anụta bụ "Transmission, transmission".

Site na mmepụta ahịrị okwu ndị a e nyochara, nkwujọ na nkwuhie jupụtara na ha bụ nke ọchọcha nyochara n'ụzọ dị iche iche.

**NCHỊKỌTA NA MMECHI**

Na nchọcha a, ọchọcha sitere n'ịntaneeti nweta okwu iri na atọ nke sitere n'okwu ndị ndọrọ ndọrọ ọchịchị na ndị ọrụ gọmentị n'ọha. Site na nnyocha nji atụle, ọchọcha chọpụtara na okwu ndị a bụ nke nkwujọ na nkwuhie jupụtara na ya. Site n'iji atụtụ nchọcha nkwuhie ọnụ nke Freud ma ọ bụ atụtụ paraprazis, ọchọcha chọpụtara na nkwuhie na nkwujọ n'okwu ọha bụ nke na-esite n'ime mmụọ ma na-adapụta mmadụ na-amaghị ama. Ọchọcha jiri atụtụ a kwdoo nchọcha a n'ihi na atụtụ a na-akọwa n'ihe mmadụ na-ekwupụta na-esite n'ihe onye dị otu a na-eche n'obi ya n'oge ahụ nke na-eme ka mmadụ chọọ ikwu ihe ọzọ ma na-ahụta onwe ya ikwupụta ihe ọzọ. Nchọcha a na-akwado ma na-atụzị aka ka ndị ndọrọ ndọrọ ọchịchị na ndịọrụ gọmentị bụrụ ndị ga-ama iwu dị n'ụtọ asụsụ Bekee na asụsụ nke ha chọrọ iji kwuo okwu nke ọma ma nwee mkpachapụ anya mgbe ọ bụla ha chọrọ ikwu okwu n'oha, iji gbanahụ ma gbochie nkwuhie na nkwujọ n'ọha.

**Edemsibịa**


Agbedo, C. U. (2009). *Language and Mind: New Directions in Psycholinguistics.* Nsukka: ACE Resources Konsult.

Agbedo, C. U. (2018). *General Linguistics: Historical and contemporary perspectives*. Nsukka: ACF Resources Konzult.

Aitchison, J. (1976). *The articulate Mammal: An Introduction to Psycholinguistics*. London: Hutchison & co. (publishers) Ltd.

Alderete, J. (2020). Speech errors and phonological patterns: Insights from psycholinguistic and linguistic theory. *Phonological studies*, vol. 23 pp. 7-20.

Apakama, L. M. (2006). *Ndubata n'ụtọasụsụ na ỤdaasụsụIgbo*. Owerri: Divine Mercy Publishers.

Beard, A. (2000). *The language of politics*. London: Routledge.

Boomer, Donald, S. & Laver, J. D. (1968). Slips of the Tongue. *International Journal of Languages and Communication Disorders* 3. 2-12.

Boladale, A. (2013). *My oga at the top: Exposing mediocrity at the helm of affairs.* Retrieved from https//www.sahareporters.com. Accessed on March 4, 2023.

Clark, H. H. (1977). *Psychology and Language.* New York: Harcourt Brace Jovanovich by Stanford University Libraries (7), 2-5.

Dell, G. S. (1986). A spreading-activation theory of retrieval in sentence production (*Psychological Review*), 93.283-321.

Field, J. (2004). *Psycholinguistics: The key concept*. New York: Routledge. Retrieved from http://repository.uin-malang.ac.id/1138/2/language.pdf. Accessed on February 27, 2023.

Freud, S. (1975). *The psychopathology of everyday life* (trans. A. Tyson). Harmondsworth, UK: Penguin.

Fromkin, V. (1973). Speech Errors as Linguistic evidence, The Hague: Mouton. 1980, Errors in Linguistic Performance: Slips of the Tongue, Ear, Pen and Hand. New York.

Fromkin, V. A. (1973). The non-anomalous nature of anomalous utterances. *Langauge*. 47, 27-52.

Garrett, M. F. (1975). The analysis of sentence production. In R. Wales and E. Walker (Eds)., *New Appraoches to language mechanisms.* Amsterdam: North Holland Publishing Company, 231 – 256.

Ismail, D. S., Detrianto, B. & Rohmah, G. N. (2020). *Slips of the Tongue in International Student Presentation: A case study at international Student forum.* ICRI 2018, 2886-2891. Retrieved from https://doi.10.52200062891. Accessed on February 27, 2023.

Levelt, W. J. (1983). Monitoring and self-repair in speech. *Cognition*, 14, 41-104.

Levelt, W. J. (1995). The perceptual loop theory not disconfirmed: A reply to Mackay. *Consciousness and Cognition* 1, 226 – 230.

Mackay, D. G. (1993). Awareness and error detection: New theories and research paradigms. *Consciousness and cognition*, 1, 199 – 225.

Mayuuf, H. H. (2017). Basic Tenets of Rhetorical Pragmatics. *Kufa Journal of Arts*, 1(31).

Naibaho, S., Aziz, M. & Sembiring, B. (2018). Slips of the Tongue made by English Study Program students. *Journal of English Education and Teaching*, 2(4), 32-41.

Nooteboom, S. G. (1969). The tongue slips into patterns. *Leyden studies in linguistics and phonetics*, ed. By A.J. Van Essen & A. A. Van Raad, 114 – 32. The Hague. Malton.

Pepito, C. V. (2019). Common speech errors in L2: Categorization, Analysis and Implication. *Internatinoal Journal of Humanities and Social Science Resaerch*, 5(3), 173-181.

Sahara Reporters, (December 31, 2022). *Political blunders made by Nigerian presidential candidates in 2022*. Retrieved from https//www.saharareporters.com. Accessed on March 1, 2023.

Sitorus, N. (2021). The students' errors in speech production on Interpersonal Speaking Class. *Journal Studi Guru dan Pembelajaran* 4(2), 297-301. DOI: https://doi.org/10.30 605/jspg.4.2.2021.569.

Stampe, D. (1969). The acquisition of phonetic representation.*Papers from the fifth regional meeting of the Chicago linguistic society*, R. I. Binnick, A. Davison, G. M. Green & J. L. Morgan, (Eds.) pp. 443-454. University of Chicago.